# NTỤCHA NGWAA 'SÍ' DỊ KA ISI SEKPỤ NTỊ NA NGWAA ÒSÍSÍ N' IGBO : ATỤTỤ AMỤMAMỤ NCHEKE

**Ethel Odinakachi Orji**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*
*08068911718*
**&**
**Thecla Udemmadu**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*
*tn.udemmadu@unizik.edu.ng*
*07038296805*

**Ụmịedemede**

Nchọcha a lebara anya na ngwaa 'si' dị ka isi sekpụ ntị na ngwaa òsísí n'Igbo. Nsogbu nchọcha a bụ na ọ dịghị ebe e jirila atụtụ ncheke were tụchaa ngwaa 'si' dị ka otu n'ime ngwaa osisi e nwere n'Igbo. Ebumnobi nwa nchọcha bụ ịchọpụta ma a ga-ejinwu atụtụ amụmamụ ncheke were tụchaa isiokwu a. Ọzọ bụ ịchọpụta etu ngwaa 'si' siri bụrụ isi sekpụ ntị were nye ngwaa osisi ndị ọzọ. E nwetara ngwaa nchọcha site n'ịgụ akwụkwọ ọgụgụ ndị e derela n'ihe metụtara isiokwu a. E jikwa atụtụ amụmamụ ncheke were tụchaa ngwa nchọcha e nwetara n'emem nchọcha a. A chọpụtara na n'eziokwu na 'si' dị ka *ótù* n'ime ngwaa òsísí bụ nne a ga- asị na ọ bụ ya mụrụ ngwaa osisi ndị ọzọ n'ihi na onye na-asụ akpụ na-esi akpụ, onye na-amachu osikapa na-esi osikapa ebe onye na-ese agidi na-esi agidi. A chọpụtara na a ga-ejinwu atụtụ ncheke were tụchaa ngwaa osisi n'Igbo. Ọ bụghị naanị n'atụmatụ okwu ka atụtụ ncheke na-arụ ọrụ dị ka ụfọdụ chere. Ndị nchọcha na-atụ arọ ka ndị ọka n'asụsụ na ndị nchọcha ndị ọzọ were atụtụ ncheke tụchakwuo ngwaa dị ọzọ ma depụta ha n'akwụkwọ iji nyere onye ọbụla asụsụ aka ịhụ ebe e deturu ya edetu n'akwụkwọ.

## Mkpọlite

N'ebe a, e lebara anya n'ihe bụ mbụnuuche nchọcha a nke bụ ịkọwapụta ma a ga-ejinwu atụtụ ncheke tụcha 'si' dị ka ngwaa osisi n'Igbo. A kọwapụtara etu ngwaa si' siri bụrụ ya bụ ngwaa osisi kacha gbaa elu n'etiti ngwaa osisi niile. Ihe kpalitere mmụọ ndị nchọcha bụ na ọtụtụ ndị

jirila atụtụ ncheke were tụchaa ngwa nchọcha ha na-emekarị nke a n'atụmatụ okwu. Ndị chọcha were kpebie ịchọpụta ma a ga-ejinwu atụtụ a tụchaa ngwaa n'Igbo.

Iji mejupụta ebumnobi nchọcha a, a gụrụ ma tụlee otụtụ akwụkwọ agụmagụ dị iche iche ndị ọka n'asụsụ ere n'ebe o metụtara isiokwu a. Ajụjụ ụfọdụ nyere aka n'emem nchọcha a bụ:

a. Gịnị ka atụtụ ncheke pụtara?
b. Kedu ka ngwaa 'si' siri bụrụ isi sekpụ ntị nye ngwaa òsísí na dị ọzọ?

ch. Olee etu a ga-esi ji atụtụ ncheke tụchaa ngwaa 'si' n'Igbo?

Uru a ga-erite na nchọcha a bụ na ọ ga-enye aka ịhụ ebe e deturu ihe n'isiokwu a n'Igbo. Ụmụ akwụkwọ na-agụ Igbo na mahadum nakwa ndị nkuzi na-akuzi Igbo ga-erite uru site na nchọcha a. Ọ ga- abakwara onye ọbụla chọrọ ime nchọcha n'isiokwu a maọbụ isiokwu yitere ya uru n'ihi na ọ ga-ahụ ebe e deturu ihe na ya edetu.

**Ntụleghar ị agụmagụ**

Ntụleghar ị ihe ndị e dere n'isiokwu a gbadoro ụkwụ n'ihe ndị a: nkọwa ngwaa, nnyocha atụtụ, nchọcha e merela n'isiokwu na nchịkọta.

Amụmamụ atụtụ ncheke malitere n'ihi ndọrọndọrọ *òtù k*we na *òtù* ekweghị n'ebe amụmamụ asụsụ dị. Croft na Cruse (2004) kọwara na amụmamụ atụtụ ncheke malitere n'ihi mbọ ndị mmadụ na-agba n'ịhụ etu a ga-esi mụọ asụsụ ka o wee nwee nghọta. Ha kọwara na ọ malitere n'afọ 1980 ma na-abawanye n'amụmamụ ya nakwazị nghọta ya. Atụmatụ ncheke dị ka Lakọff (1987) siri mee ka a mata bụ amụmamụ pụtara ọhụrụ nke e wekọtara n'ihe a maara gbasara uche site na ngalaba amụmamụ ndị ọzọ bụ amụmamụ ime mmụọ, sayensi asụsụ, ntrọpọlọji, fịlọsọfị na amụmamụ kọmpụta. Ndị nyerela aka ịhụ na amụmamụ atụtụ ncheke kwụrụ chịm bụ: Fillmore (1975), Rosch (1975), Fauconnier (1985), Lakoff (1987), Langacker (1987, 1991), Fauconnier na Turnner (2000), Talmy (2011) , sịrị na amụmamụ atụtụ ncheke bụ nghọta ka o ji arụ ọrụ n'ọmụmụ asụsụ dị iche iche.

Langacker (1987) kwuru na ihe amụmamụ ncheke ji amụ asụsụ bụ nghọta. Langacker (1991) kọwara na amụmamụ ncheke na-ejikọta amụmamụ asụsụ ndị ọzọ ma site n'ụzọ dị etu a chemie echiche ime wee nye okwu maọbụ asụsụ nghọta zuru oke. Ụzọ amụmamụ ncheke si eme nke a bụ site n'ịmata ụzọ dị iche iche ụbụrụ mmadụ si arụ ọrụ n'ebe asụsụ na nghọta dị. Okwu ụfọdụ na-enwe echiche aka ha ebe okwu ụfọdụ anaghị enwe kama a na-esite n'etu e si tinye ha n'okwu were ghọta echiche ha na-ezipụta n'uju.

**Ngwaa**

Ngwaa bụ otu n'ime nkejiasụsụ kacha pụta ìhè n'ụtọasụsụ Igbo. Ngwaa bụ nkejiasụsụ na-akọwa ihe mkpọaha mere n'asụsụ Igbo, ọ dị ka a ga-asị na ọ bụ ngwaa kachasị mkpa n'ime ahịrịokwu n'ihina ọ bụ ngwaa na-eme ka ahịrịokwu nwee nghọta zuru oke.

Mgbe mmadụ kwuru okwu, o nwere ebumnobi onye ahụ a chọrọ izipụta mana ọ bụrụ na ngwaa adịghị n'ahịrịokwu ahụ e mepụtara, ahịrịokwu ahụ agaghị ezu oke, nke a ga-eme ka ebumnobi onye kwuru okwu ghara inwe ezi nghọta. Ngwaa ịdị n'ahịrịokwu na-enye aka ịchịkọba echiche mmadụ ọnụ. Ngoesi (2004:6) kwuru na, "Ngwaa bụ mkpụrọkwu na-ekwu ihe maka mkpọaha maọbụ nnọchiaha". Ọ bụ ngwaa na-ezipụta echiche dị n'ahịrịokwu na ihe ahịrịokwu na-ekwu. N'ihi nke a, ahịrịokwu ọbụla ga-enweriri ngwaa. Ọ bụrụ na o nweghị ngwaa, ọ bụghị ahịrịokwu. Ọnụọra (2012:71) kwuru na, "ngwaa bụ mkpụrụokwu na-adị n'ime ahịrịokwu nke na-eme ka o nwee nghọta maọbụ echiche zuru oke". Nke a gosiri na mkpụrụokwu ahụ na-agwa mmadụ ihe e kwuru maọbụ ihe e mere n'ahịrịokwu ka a na-akpọ ngwaa. Ọ bụrụ na ngwaa adịghị n'ahịrịokwu, ahịrịokwu ahụ agaghị enwe nghọta. Ịmaatụ.

Mgbe mmadụ kwụrụ, "Nne m gara ahịa.

Nke a kara ihe n'okpuru bụ 'gara' bụ ngwaa. Ọ bụ ngwaa a bụ 'gara' nke dị n'ahịrịokwu a mere ka a mata ihe onye a na-ekwu maka ya mere n'ahịrịokwu.

Mgbemena (2006:89) kọwara na "ngwaa bụ mkpụrụokwu na-agwa anyị maka isiahịrị: Ihe o mere/ga-eme/na-eme, etu ọ dị, ọnọdụ ya maọbụ ihe ọ bụ". Nke a na-akọwa na e lee ahịrịokwu Igbo tụmadụ ahịrịmfe, ngwaa so n'otu ihe mebere ahịrịokwu dịka isiahịrị, nnara, mmeju na mgbakwụnye. Lee ọmụmaatụ a:

Adakụ siri osikapa ahụ ọsọọsọ.

Ume, Ugoji na Dike (2015:84) mere ka a mata na ngwaa bụ nkejiasụsụ na-ezipụta asepektị ndịniihu, ndịnaazụ na ndịmecha nakwa tensị n'ahịrịokwu. Ihe nke a na-akọwa bụ na ọ bụ ngwaa na-akọwapụta kpọmkwem ihe onye na-ekwu okwu bu n'uche. Ọ bụ ya na-abụ isi nkebiokwu kengwaa na-ezipụtakwa usoro nnara n'ahịrịokwu. Ọkafọ na Ewelụkwa (2018:95) mere ka o doo anya na ngwaa bụ ya bụ isi sekpụ ntị n'ahịrịokwu, ọ bụrụ na ngwaa adịghị ya, ọ gaghị enwe mpụtara. Nke a na-akọwa na okwu ndị ahụ na-eme ka ahịrịokwu kwụrụ chịm bụ ngwaa. Nke a pụtara na ahịrịokwu ngwaa adịghị na ya enweghị ike ịkwụrụ onwe ya ma ya fọzịa inwe nghọta ọbụla.

Ọnụọra (2012:100) kwadokwara ihe Ọkafọ na Ewelụkwa kwuru na ngwaa bụ otu n'ime nkejiasụsụ e nwere n'Igbo. Ngwaa na-arụ nnukwu ọrụ n'asụsụ Igbo. Ọ bụ ya na-eme ka ahịrịokwu nwee nghọta. Ngwaa bụ nke na-agwa mmadụ ihe e kwuru maọbụ ihe e mere n'ahịrịokwu.

Sheiman, Slawson, Whitton na Wiemelt (2011:278) sịrị na ngwaa bụ okwu e ji egosi ihe na-eme eme. Ngwaa na-akọwa ihe isiahịrị dị na nkebiahịrị nnọrọnwe na-eme. Allen (2009:10) na-ekwukwa ihe ndị ọzọ kwuburu banyere ngwaa mana *ótù* ihe ọ kọwara dị iche bụ na ngwaa ọbụla ga-enwerịrị mmeju na-eso ya iji mee ka ahịrịokwu ahụ nwee nghọta. Ngwaa bụ nkejiasụsa-egosi ihe isiahịrị na-eme, ekwu maọbụ ọdịdị ya. Ọ bụ nke a kpatara e ji akọwa ngwaa dịka okwu na-egosi ihe omume. Ihe gbara oke ọkpụrụkpụ n'ịkọwapụta nkejiasụsụ n'Igbo bụ na ngwaa kachasị nkejiasụsụ ndị ọzọ nwee ngalaba. Asụsụ Igbo dị ka Anagbogu, Mbah na Eme (2010) siri kọwaa bụ asụsụ ngwaa. N'asụsụ Igbo, a pụrụ inweta ọtụtụ okwu site na ngwaa mana a pụghị isi n'okwu ndị ọzọ nweta ngwaa. Ọ bụ ngwaa na-egosi tensi, aspekịtị na muudu n'Igbo.

Ngwaa dịka Emenanjọ (1999:78) si dee bụ, "nkejiasụsụ kachasị pụta ihe ma dịkwa nnukwu mkpa n'imepụta okwu. Ọ gara n'ihu kọwaa na ngwaa na-ezipụta omume maọbụ ọdịdị ihe n'okwu mmadụ kwuru. Ikegwuonu (2019:15) rụtụrụ aka na a na-esi na ngwaa enweta ọtụtụ

okwu ọhụrụ dị iche iche iji mee ka asụsụ Igbo na-eto eto. A ga-emenwu nke a site n'ịgbakwụnye nganihu, nsonaazụ na nnọnetiti n'isingwaa. Ịmaatụ:

| | | |
|---|---|---|
| -ri | - | isingwa |
| iri | - | mfinitivu |
| eri | - | mmekangwaa |
| riri | - | tensị ndịnaazụ |
| oriri | - | jerọnd |
| nri | - | ahansịnangwaa |

E lee anya n'ọmụmaatụ a, a ga-ahụ na e si n'isịngwaa "ri" mepụta okwu ndị ọzọ na-eso ya.

Igwe, Ibe na Ezeumudo (2009:23) kọwara ngwaa dị ka otu n'ime nkejiasụsụ na-eme ka ahịrịokwu kwụrụ chịm. Nke a gosiri na ha na-akwado ihe ndị odee ndị ọzọ derela gbasara ngwaa iji gosi na ọ na-enyere ahịrịokwu aka inwe nghọta.

Amamgbo (2017) kwuru na, "dịka mmadụ apụghị iri nri nnụ adịghị na ya, ọ bụ otu a ka a pụghị imebe ahịrịokwu ọbụla n'asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na ngwaa adịghị na ya". Ihe ọ na-akọwapụta doro anya n'ebe a bụ na ngwaa bụ isi sekpụ ntị n'ụtọasụsụ Igbo. Ngwaa bụ nkejiasụsụ na-egosipụta ụdị emereme e mere n'ahịrịokwu.

Udemmadụ (2011) kwuru na asụsụ Igbo bụ asụsụ ngwaa na ọ bụ ya mere na ngwaa bụ o bu ngwongwo. Ngwaa bu n'isi, kwọrọ n'azụ ma sekpụrụ n'aka nke gosiri ọtụtụ ọrụ ngwaa na-arụ n'asụsụ Igbo. Ọzọkwa, e nwere ike isi na ngwaa mepụta nkejiasụsụ ndị ọzọ maọbụ gbatịa okwu agbatị maọbụkwanụ gbanwee echiche mkpụrụokwu ahụ mana o nweghị nkejiasụsụ e si na ya emepụta ngwaa.

N'uche ndị nchọcha, ngwaa dị nnukwu mkpa n'asụsụ Igbo. Ọ bụ nke a mere e ji akpọ ya asụsụ ngwaa n'ihi na e nweghi ike iji asụsụ Igbo zipụta echiche ma ọ bụrụ na ngwaa adịghị na ya. A na-ejikwa ngwaa emepụta okwu ọhụrụ n'Igbo.

**Ntụleghari̇ atụtụ**

Nwa nchọcha tụlegharịrị atụtụ a ga-eji tụchaa nchọcha a nakwa atụtụ ndị ọzọ metụtara atụtụ a.

**Atụtụ nsinụbụrụ**

Ọ bụ Zellig Harris na Noam Chomsky tụpụtara atụtụ a n'afọ 1950. Atụtụ a nwere nkwenye na tupu nwata amata maọbụ mụta asụsụ, ọ ga-enwerịrị ihe ebumpụtaụwa ga-enyere ya aka ịmata ma mụta asụsụ. Ha kọwara na nwata agaghị amatanwụ asụsụ ma ọ bụrụ na o nweghị ngwa mmụta asụsụ. Ọ bụkwa ngwa mmụta asụsụ a na-eme ka nwata chọpụta iwu ntọala nke jikọtara ahịrịokwu. Ha kọwara na okwu ọbụla ga-enwe enyo uche ya. Ọghọm atụtụ a bụ na mmadụ abụọ maọbụ karịa anaghị enwe otu enyo nghọta nye okwu ọbụla.

**Atụtụ nsina gburu gburu**

Ndị tụpụtara atụtụ a bụ L. Bloomfield, Pavlov, I. na ndị otu ha n'afọ 1950. Ha na-akọwa na mgbe a mụrụ nwata na ọ dịghị ihe ọbụla dị n'ụbụrụ ya, ọ bụ site n'ihe na-eme na gburu gburu ya ka o si amata ihe ọbụla ọ mụtara. Ndị otu a na-akọwa na e nwere ike iji ihe onyinye dị iche iche were gbaziere nwata mmụta, nke a ga-eme ka nwata a na-agbasi mbọ ike. Nke a pụtara na ha na-akọwa na ọ bụ site n'ihe dị iche iche na-eme na gburu gburu nwata ka o si amụta ihe.

**Atụtụ Ndịna Ncheke**

Lakoff na Johnson tupụtara atụtụ ndịna ncheke n'afọ 1980 n'ihi ndọrọndọrọ dị n'etiti atụtụ nsina gburu gburu na atụtụ nsinụbụrụ. Atụtụ a na-akọwa na a gaghị eleghara ọrụ ụbụrụ maọbụ gburu gburu na-arụ mgbe ọbụla a chọrọ ịmata echiche okwu ọbụla. Atụtụ a kwetara na ngwa mmụta asụsụ dị mkpa n'imụ na ịghọta asụsụ mana n'aka nke ọzọ ha kwuru na ọ bụrụ na nwata buru ngwa mmụta asụsụ pụta ụwa mana o nweghị ihe ọ hụrụ na gburu gburu, ọ gaghịkwa amụta ihe ọbụla. Ha gara n'ihu kọwaa na ọ bụ ntọala gburu gburu na-enye kpatara e ji akọwanwụ ihe nhuruuche n'agbanyeghị na a naghị ahụta maọbụ metụ ya aka. N'amụmamụ ncheke, e nwere ụzọ ọwa atọ a na-eji akọwapụta mmereme ọbụla. Ha bụ:

**Ọwa ndịnime (*Containment schema)***

Ọwa nke a bụ ọwa nghọta asụsụ nke gbadobere ụkwụ n'otu ihe ịdị n'ime ihe ọzọ. N'agbanyeghị na ọ bụ Johnson (1987) bụ onye mbụ chepụtara ọwa a mana onye mbụ malitere amụmamụ na ya bụ Saeed (2007). Ọ na-akọwa na tupu otu ihe adị n'ime ibe ya, ihe ahụ bu nke ọzọ ga-akarị ihe dị n'ime ya. Nke a ga-eme ka ihe dị ya n'ime nwee ike were ọnọdụ maọbụ banye na ya.

**Ọwa ndịnụzọ (*Path Schema*)**

Ọwa ndịnụzọ dị ka Johnson (1987), Lakoff na Johnson (1999), Saeed (2007) siri kọwaa bụ ọwa dị mkpa na nghọta echiche n'asụsụ. Kwa ụbọchị, a na-agagharị si n'otu ebe na-aga ebe ọzọ, site na mbido ruo n'ebe njedebe ka a na-eleru anya ma lebakwaa anya n'oge njem a were n'ihi na ọ bụ etu ebe e bu n'obi wee na-eme njem siri dị anya ka ọ ga-esi wee oge.

**Ọwa ndịnike ( *Force Schema*)**

Ọwa ndịnike dị ka Johnson (1987) siri kọwaa bụ ọwa ncheke nke atọ n'atụmatụ ncheke nke na-akọwa na ọtụtụ nnabata ma ọ bụ mgbochi dị iche iche na-esite n'iji ike mee ihe nke a na-ahụ kwa ụbọchị.

**Ntụlegharị nchọcha n'isiokwu**

A ga-eleba anya n'ọrụ ndị e meburu na mbụ n'isiokwu yitere nke a.

Obiora (2008) mere nchọcha na 'Componential analysis of Igbo verbs of planting and harvesting'. Nchọcha a Obiora mere bụ maka usoro *ọ̀kụ́kụ́* n'obodo Agụlụ bụkwazị obodo ya. Na nchọcha ya, ọ kpọpụtara usoro ọkụkụ ihe ubi dị iche iche dị ka:

ịkụ ọka
ịgha ose
ịzọ akpụ

Nchọcha Obiọra bara uru n'emem nchọcha a n'ihi na ọ tụchara ngwaa Igbo metụtara usoro ọkụkụ na iwe ihe ubi. Nke a gosipụtara na nchọcha abụọ a gbadochara ụkwụ na ngwaa Igbo mana ebe ha siri dị iche bụ na nke Obiora jiri atụtụ nnyocha mmebereokwu were gosipụta nke ya ebe ndị nchọcha ga-eji atụtụ njirimee were tụchaa nke ha. Ọzọ bụ na nchọcha a lebara anya na ngwaa metụtara *ọ̀sị́sị́* ihe ebe nke Obiora metụtara ngwaa usoro ọkụkụ na owuwe ihe ubi.

Ndiribe (2004) mekwara nchọcha na ‘Lexical semantics of planting terms in Ihiala dialect of the Igbo’. O jiri atụtụ nghọtaokwu were kọwapụta ihe ndị o nwetara na nchọcha ya. Ndiribe kọwapụtara mkpụrụokwu ise ọ chọpụtara n’olundị Ihiala metụtara akụkụ dịka iso, ịgba, ịgha, ịzhọ nakwa ịkụ. Ọ kọwapụtara na site na nchọcha o merela na ọ bụ naanị iso bụ ngwaa metụtara mkpuru akụkụ. Nchọcha ya bara nnukwu uru n’ebe nchọcha nke a ndị nchọcha ga-eme dị n’ihi na ha abụọ lebachara anya na ngwaa Igbo mana otu ndị iche doro anya bụ na ndị nchọcha na Ndiribe ejighi otu atụtụ were tụchaa nchọcha ha.

Amamgbo (2017) mere nchọcha na mmeju dịka mmebere nkebiokwu kengwaa n’ụtọasụsụ Igbo. Ọ chọpụtara na mmeju so na mmebere nkebiokwu kengwaa. Ọ chọpụtakwara na irighiri okwu anọ ndị a: ‘na’ ‘ma’, ‘ka’ na’si’ na-agba ama banyere mmeju nkebiokwu kengwaa. Nchọcha ya metụtara isiokwu ndị nchọcha na-eme nchọcha na ya ma bakwaa uru n’ihina ọ kọwapụtara nwa ntakịrị ihe ngwaa pụtara bụkwanụ otu n’ime ọkpụrụkpụ okwu dị n’isiokwu ndị nchọcha mana Amamgbo ji atụtụ mgbanwe nke Chomsky 1957 wee tulee ma tụchaa nchọcha ya ebe ndị nchọcha ga-eji atụtụ njirimee wee tụchaa nchọcha a. Igbeakụ (2012) kọwapụtara ‘A sense relational study of verbs of harvesting in Igbo’. Ọ kọwara na e nwere ụzọ dị iche iche e si ewe ihe akụkụ dị iche iche a kọrọ n’ala Igbo. Igbeakụ jiri okwu ndịna, ọnọnisi nakwa nsona were kọwapụta ngwaa metụtara owuwe ihe ubi ndị ọ chọpụtara . Ọmụmaatụ Igbeakụ (2012) gụnyere:

a. bù/vụ edè
b. gwụ edè
ch. gbe edè
d. vọ̀ edè
e. gbu edè
f. họ edè

Ọ kọwara na ọmụmaatụ (b-e) bụ ụdị owuwe ihe ubi a na-ehoro mgbọrọgwu ya n’ala. A na-eji ọgụ maọbụ ngwaọrụ ndị ọzọ were na-eme nke a. Ọmụmaatụ ‘họ ede’ bụ nke a na-eji aka were hopụta ihe ahụ a kọrọ n’ubi. Bụ/vu bụ ọnọniisi ebe ndị ọzọ bụ ndịna. Ọmụmaatụ nke abụọ Igbeakụ (2010) nyere bụ:

a. gbọ ọkà
b. be ọkà
ch. gbu ọkà
d. ka ọkà
e. ji ọkà
f. ha ọkà

Site na nkọwa ya, ọmụmaatụ (b,ch, d, e) bụ ndị a na-eji ngwaọrụ dịka mma were gbutue ukwu ọka ahụ ebe (a, d, e, f) bụ ndị a na-eji aka nkịtị eme mgbe ọka kara aka nke ọma. N’ọmụmaatụ a, ‘ghọ’ bụ ọnọnisi ebe ndị ọzọ bụ ndịna. Nchọcha Igbeaku mere bara nnukwu uru na nchọcha nke ndị nchọcha na-eme n’ihina ha abụọ lebachara anya na ngwaa nakwazị isiokwu metụtara ọmụmụ nghọtaokwu mana ebe e nwere ndịiche bụ n’ụdị ngwaa isiokwu ndị a metụgasịrị. Nchọcha Igbeakụ bụ maka ngwaa metụtara owuwe ihe ubi ebe nke ndị nchọcha a bụ ngwaa metụtara esimesi.

**Nchịkọta ntụleghari agụmagụ**
A chọpụtara site na ntụleghari agụmagụ na o nwebeghị onye ji atụtụ ncheke were tụchaa ngwaa 'Si' dị ka isi sekpụ ntị na ngwaa osisi e nwere n'Igbo. Nke a gosiri na nchọcha a nwere ezi mkpa ọ ga-egbo n'ihi na ọ ga-etinyeso ihe na nghọta ngwaa 'si' dị ka ngwaa osisi n'Igbo ma mekwa ka a mata na ọ bụghị naanị mbụrụ ma ọ bụ atụmatụ okwu ka e ji atụtụ ncheke atụcha. E nwere ike iji ya tụchaa ngwaa.

**Nkọwasị Ngwaa Nchọcha**
Nwa nchọcha zipụtara ma tụchaa ngwa nchọcha e nwetara iji gosi etu atụtụ ncheke siri kọwapụta ngwaa 'SI' dị ka isi sekpụ ntị na ngwaa osisi n'Igbo. Nke a nyere aka were kọwaa na ọ bụghị naanị atụmatụ okwu ka a na-eji atụtụ ncheke akọwa dị ka otụtụ cheere. E nwere ike iji ya tụchaa nkejiasụsụ dị iche iche.

**Ngwaa *Sí* dị ka ngwaa *òsísí k*acha pụta ihe**

- 'te' dị ka ite ofe pụtara isi ofe iji maa atụ:

Ada na-ete ofe pụtara na Ada na-esi ofe. E nwere ụdị ofe dị iche iche n'Igbo. Ha bụ ofe ọha , ofe onugbu, ofe nsala, ofe egusu, ofe akwụ.

Ọwa echiche a chọpụtara na ya bụ:

**Ndịnime** – ite e jiri tee ofe

**Ndịnụzọ -** usoro a gbasoro were tee ofe were ruo mgbe e techara ya.

**Ndịnike** – A ga-ahụ ndịnike oge a na-asụ ihe dị ka ede a ga-eji tee ofe onugbu maọbụ ofe ọha.

- 'machu' dị ka machu osikapa pụtara si osikapa. E nwere ihe ndị ọzọ a na-amachu amachu dị ka azụ, ọna, ede na agwa. Mgbe mmadụ kwuru na ọ na-amachu nri, ihe ọ pụtara bụ na ọ na-esi nri.

  Ọwa echiche a chọpụtara na ya bụ:

**Ndịnime** – ite e jiri machu nri

**Ndịnụzọ -** usoro a gbasoro were machu nri were ruo mgbe a machusiri ya.

**Ndịnike** – E nweghị ọwa echiche ndịnike na ya.

- ‘sụ’dị ka ịsụ akpu pụtara isi akpụ. Iji maa atụ:

  Onyinye na-asụ akpụ pụtara na onyinye na-esi akpụ.

Ọwa echiche a chọpụtara na ya bụ:

**Ndịnime** – ikwe e jiri sụọ akpụ.
**Ndịnụzọ -** usoro a gbasoro were sụọ nri ruo mgbe a sụchara ya.
**Ndịnike** – A ga-ahụ ndịnike oge a na-asụ akpụ.

- Da dị ka ịda nri n’ọkụ pụtara isi nri n’ọkụ. Iji maa atụ:
  Nne m na-adakwa nri pụtara na nne m na-esikwa nri.

Ọwa echiche a chọpụtara na ya bụ:
**Ndịnime** – ite e jiri dakwa nri
**Ndịnụzọ -** usoro a gbasoro were dakwa nri were ruo mgbe a dakwachara ya.
**Ndịnike** – nke a apụtaghị na ngwaa ‘da’.

- ‘ghe’ dị ka ghe azụ pụtara si azụ. Ọ na-eghe azụ pụtara na ọ na-esi azụ.
  Ọwa echiche a chọpụtara na ya bụ:
  **Ndịnime** – ite e jiri ghe azụ.
  **Ndịnụzọ -** usoro a gbasoro were ghe azụ were ruo mgbe e ghechara ya.
  **Ndịnike** – Enweghị ọwa ndịnike na nke a.
- ‘see’ dị ka see ọka, alịbọ na agidi pụtara sie ọka, alịbọ na agidi. Iji maa atụ
  - Ọ na-ese agidi pụtara na ọ na-esi agidi.
  - Ọ na-ese ọka pụtara na ọ na-esi ọka

  Ọwa echiche a chọpụtara na ya bụ;
  - **Ndịnime** – ite e jiri see ọka, alịbọ maọbụ agidi.
  - **Ndịnụzọ -** usoro a gbasoro were see nri ahụ.
  - **Ndịnike** – a ga-ahụ ndịnike oge a na-ese alịbọ, agidi maọbụ ọka.
- ‘wu’ dị ka wu ji, osikapa, agwa nwere ike ịbụkwa si ji, agwa maọbụ osikapa.
  Ọwa echiche a chọpụtara na ya bụ:
  **Ndịnime** – ite e jiri wu osikapa, ji maọbụ agwa.
  **Ndịnụzọ -** usoro a gbasoro wu nri ahụ.
  **Ndịnike** – ngwaa ‘wu’ enweghị ndịnike.

- ‘gwọ’ dị ka gwọ isi ewu, gwọ ji, ede maọbụ agwa na jioko. Nke ọbụla a gwọrọ pụtara isi ihe ahụ. Iji maa atụ, Emeka na-agwọ isi ewu pụtara na ọ na-esi isi ewu.
  Ana m agwọ ji pụtara na ana m esi ji.
  Ana m agwọ ede pụtara na ana m esi ede.
  Ana m agwọ agwa pụtara na ana m esi agwa.
  Ana m agwọ jioko pụtara na ana m esi jioko.

Ọwa echiche a chọpụtara na ya bụ:
**Ndịnime** – ite maọbụ ọkụ e jiri gwọ nri ọbụla a gwọrọ agwọ.
**Ndịnụzọ -** usoro a gbasoro were gwọọ ya.
**Ndịnike** – ike e jiri gwọ nri ahụ.

**Nchịkọta nchọpụta**

N'ime nchọcha a, a chọpụtara na 'sí' bụ ngwaa jikọtara ngwaa osisi ndị ọzọ. A chọpụtara na a ga-ejinwu ọwa echiche nke dị n'ime atụtụ ncheke were kọwadaa ngwaa ndị a , ya bụ ngwaa 'si'. E gosipụtara etu ngwaa 'si' siri bụrụ nne nye ngwaa osisi ndị ọzọ.

**Mmechi**

A gaghị asị na ndị nchọcha emechaala nchọcha gbasara ihe nile maka ngwaa òsísí n'Igbo. N'ihi nke a ka ndị nchọcha a ji na-atụ aro ka a gaa n'ihu mekwuo nchọcha n'isiokwu a maọbụ n'isiokwu yitere nke a iji chọpụta ihe ndị e metụchaghị aka na nchọcha a. Ndị nchọcha a na-atụkwa aro ka ndị ome nchọcha were atụtụ ncheke a tụchaa isiokwu dị iche iche iji mee ka e nwee akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche metụtara isiokwu a.

**Edensibịa**


Amamgbo, O.C. (2017). "*Mmeju dịka mmebere nkebiokwu kengwaa"* Pd.D Semiaiji mezu ndịọrụ ihe ọmụmụ AFL 904 na ngalaba Amụmamụ A.A, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Anagbogu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2001). *Introduction to linguistics*. Awka: Amaka Dream.

Chomsky, N. (1957). *Syntactic structures*. Bertin Motuon de Gruyter.

Croft, W. & Cruse, D.A. (2004). *Cognitive linguistics*. Oxford: Oxford University Press.

Emenajo, E.N. (1999). *Nchịkọta asụsụ na ụtọaụsụ Igbo izubge make sekọndịrị*. Ikeja: Longman Nigeria.

Fauconnier, G. (1985). *Mental spaces*. *Aspect of meaning construction in natural language*. Cambridge MIT Press.

Fauconnier, G. (1985). *Mental spaces*. *Aspect of meaning construction in natural language*. Cambridge MIT Press.

Fauconnier, G.G. & Turner, M. (2000). *The way we think*: *Conceptual blending and the mind's hidden complexities*. New York: Basic Bwka.

Fillmore, C.J. (1975). *An alternative to checklist theories of meaning*. Berkley linguistics society. Vol. 1, ihu 155-156.

Igbeaku, B.C. (2010). A *sense relational study of verbs of harvesting in Igbo*. Semina e mere ndị ngalaba lingwistiks, Igbo na asụsụ *ọ̀zọ́* n'ime mahadum Nsụka, Nsụka.

Igwe, L.O., Ibe, D.O. & Ezeumudo (2009). *Ọmụmụ Asụsụ Igbo* Junịọ Sekọndịrị Ọnịcha: Kawuriz & Manila Publishers.

Ikegwuọnụ, C.N. (2019). Mmụba okwu ọhụrụ. Ụzọ mwulite mkpụrokwu na nkwalite otito asụsụ. galaba Asụsụ Igbo, Mahadum Anambara Steeti, Uli Ịgbarịam Kampụs.

Johnson, M. (1987). *The body in the mind. The bodily basis of meaning, reason and imagination*. Chicago: Chicago University Press.

Lackoff, G. (1987). *Women, fire and dangerous things*: *What categories reveal about the mind*. Chicago: University of Chicago Press.

Lackoff, G. (1987). *Women, fire and dangerous things*: *What categories reveal about the mind*. Chicago: University of Chicago Press.

Langacker, R.R. (1991). Same *with the one but grammar 1.Standard*: Stanford University Press.

Langacker, R.W. (1987). *Foundations of cognitive grammar*. Standard: Stanford University Press.

Mgbemena, A.G. (2009). *Ntọala Usoroasụsụ Igbo*. Obosi: Pacific Publishers.

Ndịribe, M.O. (2004). *Lexical semantics of planting term in Ihiala dialect of the Igbo language.* Prọjektị e dere ndị ngalaba Lingwistiks, Igbo na asụsụ ndị ọ̀zọ́ n'ime mahadum Nsụka, Nsụka.
Ngoesi, M.C. (2004). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke Asụsụ* Igbo. Nkpa: Optimal Pres.
Obiora, T. (2008). 'Componential analysis of Igbo verbs o planting and harvesting, *Journal of Nigeria languages and culture*. pp. 93-105.
Ọkafọ, C.U & Ewelukwa, U., (2018). *Nhazi Asụsụ Igbo* maka ule Siniọ Sekọndịrị na Kọleeji Onitsha: A.C Global Publihing.
Ọnụọra, J.C. (2012). *Usoro ọmụmụ Igbo maka siniọ sekọndịrị*. Onitsha: Patmonk Printers & Publishers.
Saeed, J.I. (2007). *Semantics*. Oxford: Blackwell Publishers.
Sheiman, D., Slawson, J., Whitton, N. & Wiemet, J. (2010). *The little brown* in the Southeastern writing center. Pp. 275-289.
Talmy, L. (2011). Cognitive semantics: An overview, www.linguistics.buffalo.edu/people/talmy talmyweb. E nwetere ka ọnwa Nọvemba dị mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na otu n'afọ 2012.
Udemmadu, T.N. (2011). *Lecture note on syntax and semantics.* Department of Igbo, African andAsian Studies. Nnamdị Azikiwe University, Awàka.
Udemmadu, T.N. (2018). *Ọmụmụ nghọtaokwu (Sematiks)*. Onitsha: Durability Prints.
Ume, I.A.O. Ugoji, J.U. & Dike, G.A. (2015). *Umi nkọwa ụtọasụsụ Igbo.* Onitsha: Kwauriz & Manilas Publishers.
Ume, I.A.O., Ugoji, J.U. & Dike, G.A. (2015). *Ụmi nkọwa ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.